# ENWEGHỊ OBIEKELE NKE ỤMỤ ISRAEL
## Ọnu-ọgugu 11:1-35; Abù Ọma 78:17-41
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 99 – Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Mgbe Nwa nke madu gābia, Ọ̀ gāhu okwukwe n'elu-uwa?" (Luk 18:8).**

**Nri Ndị Mmụọozi**

Ụmụ Israel amawo ụlọikwuu ha wee nọ ihe ra ka otù arọ̀ n'akụkụ Ugwu Sainai, ọ bụ kwa n'oge a ka Chineke nyere Moses Iwu ahụ, ha alụzuwo kwa Ụlọikwuu ahụ. Nime oge ahụ niile, Chineke eziteworo ha manna ka ha rie. Ụtụtụ ọ bụla – ewezuga n'ụbọchị izuike – mgbe igirigi nke dịkwasịrị n'ala rịgoro, ala gaejupụta ná nri ahụ nke sitere n'Eluigwe. Nri dị mma ka ọbụ -- onye ahụ nke dere Abù Ọma ahụ kpọrọ ya "nri ndị muọ-ozi" -- ọ naenyezu kwa ihe niile dị mkpà ka arụ ha dị mma ma sie kwa ike. Náagbanyeghị nke a ụmụ Israel naakpọ ya "achịcha nka dị mfe."

Ụmụ Israel gaanwụworị ná agụụ nime ọzara ma ọ bụrụ na Chineke arọpụtaraghị ha nrị. N'ihi otú manna ahụ si dị, ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ ikwu na ọ dịrị n'ebe ahụ dịka ihe ndaba. Ha naachịkọta ya gwee kwa ya ka ọ bụrụ nri, ghéé kwa ya eghé n'ite ọkụ, (maọbụ n'ebe ịmị achịcha); ma ndị ahụ fọdụrụ n'ala náagbaze mgbe anyanwụ naamụkwasị ha, ọ bụ ezie na okpomọkụ nke anyanwụ ahụ akarịghị ite ọkụ ahụ eji ghéé ya dịka achịcha. Otù aka ahụ kwa, Chineke gwara ha ka ha chịkọta náání nke gaezuru ha n'otù ụbọchị. Ọ bụrụ na ọ fọdụ rue echi ya, ọ gaagba ikpuru, náesi kwa ísì. Ma otú ọ dị, n'ụbọchị ahụ nke náeso ụbọchị izuike ha naachịkọta okpukpu abụọ maka ụbọchị abụọ, ma ọ dịghị emebi maọlị. N'eziokwu ọ bụ nri sitere n'Eluigwe, nke Chineke naenye ha kwa ụbọchị dịka otú o si dị ha mkpà.

Chineke enyewo kwa ha mmiri site na nkume mgbe akpịrị ịkpọnkụ̀ gaemekpawo hà rị arụ n'ihi enweghị mmiri. N'oge ọzọ emere mmiri náelu ilu ka ọ dị ụtọ ka ha wee ñụọ. Ihe ndịa niile ka Chineke naemere Ụmụ Israel site n'ụbọchị rue n'ụbọchị. Ndụ ha kwa ụbọchị bụ ọlụ ebube, nke náegosi na ha bụ ụmụ nke Chineke, na ọ bụ Ya onweYa naelekọta ha. Ma n'ihe ndịa niile ha naatamù ntamù megide Chineke!

**Inwe Ojujuafọ**

Ọ bụrụ na mmadụ bụ onye ntamù, ọ naachọpụta ihe ọ gaeji tamùe ntamù náagbanyeghị otú ihe si agara ya nkeọma. Chineke naachọ ka ndị nke Ya nwee afọ ojuju nime ihe niile nke Ọ naenye ha. Ọ naahụ́zụ ihe niile náakpá anyị ma kwee kwa mkwà inyezu anyị ihe niile ọ bụla náakpá anyị dịka àkụ̀ Ya n'ebube si dị (Ndị Filipai 4:19). "Nsọpuru-Chineke, ya na inwezu ihe nile di nkpà, bu uzọ irita urù nke-uku … Ma ebe ayi nwere ihe-oriri na ihe igbokwasi n'aru, afọ gēju ayi n'ihe ndia" (I Timọti 6:6, 8). Nke a bụ ihe Chineke naachọ n'ebe ụmụ Ya nọ. Anyị adịghị atamù nye náání anyị onweanyị maọbụ ndị enyi anyị mgbe anyị naatamù atamù n'ihe nke náabịakute anyị ná ndụ, kama anyị naatamù megide Chineke. Ọbụná mgbe anyị na ekwughị okwu ọ bụla, Chineke naamata ihe niile anyị naechè n'obi anyị. Ma Ya onweya maara ihe O ji jide ha náenyeghị anyị ihe ndị ahụ nke anyị naechè na anyị kwesịrị inwe ha. Ọ bụrụ na anyị atamụa maka ha, náarịọ kwa Onyenweanyị ihe ndị ahụ, Ọ gaghị enweike ịlụpụta uche Ya nime anyị, ma n'ikpéazụ̀ anyị gaahụ́ ahụhụ nke ikpé Ya.

**Ọkụ n'Ọmụma ụlọikwuu**

Anyị gaahụ́ ihe dakwasịrị Ụmụ Isreal mgbe ha tamurù ntamù nime ọtụtụ ihe niile nke naakpá ha. Náání ijè ụbọchị atọ ha jeworo site na Sainai, ebe ha zuru ike otù arọ̀ n'ihi nke a o kwesịbeghị ka ike gwụ ha. Ma n'ihe niile ha naatamù ntamù banyere ijè ahụ.

Enwere ụfọdụ mmadụ ndị soro ndị Israel sitere n'Ijipt, ndịa ka akpọrọ ìgwè ndị gwara ọgwa. Ha abụghị ezigbo ndị nke Chineke arọpụtara, ma ha ebiwo n'etiti ha ihe dị ka otù arọ̀ garaaga wee maa kwa ụlọ ikwuu ha n'òkèala nke ọmụma ụlọikwuu ahụ. Ọ dị ka nsogbu nke ugbu a sitere n'etiti ha. Mgbe Chineke nụrụ ntamù ha, O zitere ọkụ nke rechapụrụ ọtụtụ mmadụ nime ha.

Ọkụ̀ ahụ tụrụ Ụmu Israel egwù, nke mere na ha gbakuru Moses ịchọ ka enyere ha aka. Moses kpereekpere, ewee wezuga ọkụ̀ ahụ. Ma nke a abụghị ọgwụgwụ nke ntamù ahụ. Ha yiri ụfọdụ mmadụ ndị náekpeekpere mgbe àmụ̀mà gburu. Ha náatụ̀ egwù na àmụ̀mà nwereike ịmakwasị ha ma gbue ha; ma ngwangwa nsogbu ahụ gabigara, ha ewee gaa kwa n'iru ime mmehie. Ndị ahụ nke náechègharịghị ugbu a agaghị enwe kwa ohere mgbe Jisọs gaabịa ikpé ikpé, ma ha ganata ahụhụ nke ọkụ̀ irechapụ ha dịka ndịa -- n'iru ime mmehie. Ndị ahụ nke náechègharịghị ugbu a agaghị enwe kwa ohere mgbe Jisọs gaabịa ikpé ikpé, ma ha gaanata ahụhụ nke ọkụ̀ irechapụ ha dịka ndịa -- náánị na nke a gaabụ ọkụ̀ ebighịebi.

**Ntamù Atamùrù n'ihi Anụ**

Ọzọ kwa igwè ndị ahụ gwara ọgwa chọrọ ihe ahụ nke Chineke náenyebeghị ha, Ụmụ Israel wee nweta mmụọ nke ntamù ọzọ kwa, ha wee kwaa ákwá n'ihi anụ. Ha wee cheta azụ̀ nke ha naeri n'Ijipt; cucumba, onions na galik. Ọ bụ

náánị otù arọ site na mgbe ha gbapụrụ n'aka ndị ahụ náachị ha n'ihe ike, ma ha echètaghị kwa oge niile ha nọ ná nhuju anya na ịpịa ha ụtarị; ha echètaghị kwa ehihie na abalị niile nke ha kwara ákwá nke dị ilu, wee gwa Onyenweanyị ka ọ napụta ha site n'ala nke ahụ jọgburu onweya. Kama ha gaenwe obi ekele nye Chineke n'ihi nnapụta nke Ọ napụtara ha site n'Ijipt na ihe oriri O nyere ha ka ha rie, ha tamụrù ntamù maka anụ.

Mgbe anyị malitere imere onweanyị ebere náatụgharị kwa uche ihe kpatara ndịọzọ ji enweta ihe nke ndụ nke a karị anyị, anyị kwesịrị ịgụkọ ngọzi anyị niile. Anyị gaahụ kwa n'ezie na anyị nwere ọtụtụ ihe ikele Chineke ekele, na mgbe ahụ ka mmụọ nke ntamù ahụ gaagbapụ kpamkpam. Onyenweanyị naatụ anya na anyị ga naañụrị ọñụ mgbe niile na n'ihe niile ịbụ kwa ndị náenye ekele.

**Enweghị  Agbamume nke Moses**

Ọtụtụ oge ka Chineke chọworo ikpochapụ Ụmụ Israel n'ihi nnupụisi ha; ma Moses ejiwo obi ya niile kpeere ha ekpere; ewee mee ka ha dịrị ndụ. Ma n'ikpéazụ ike gwụkwara Moses maka ntamù ha, wee náajụ kwa Chineke ihe mere o ji boo ya ibu nke ịbụ onyendú nke ndị dị otú a ndị náenweghị obiekele. Anyị chetara na ha dị ihe ra ka ndè mmadụ atọ, ma Moses náánị ya naahụ ihe banyere nsogbu ha niile. Ọ dịghị ụzọ ọ bụla nke Ụmụ Israel ji bụru ndị inyeaka ya n'oge ahụ niile nke ha náanọgide na ntamù megide Chineke Onye Moses hụrụ n'anya, náerubekwara Ya isi. Ike gwụsịrị Moses nke ukwuu n'ọlụ ahụ nke Chineke nyere ya ịlụ nke mere na ọ chọrọrị ịnwụ ugbu a.

Ọ bụ ezie na o zighị ezi ka Moses kwue okwu megide ọkpụkpọ ahụ dị elu nke Chineke kpọworo ya, ma Onyenweanyị amaghị ya ikpé. Ọtụtụ oge ka Chineke n'Onweya nwere mkpasu iwe n'ihi nnupụisi nke Ụmụ Israel, ma zube kwa ikpochapụ ha.

**Ndị okenye Iri Asaa ahụ**

Chineke gwara Moses okwu ka ọ rọpụta iri ndịokenye asaa ndị sitere n'Ụmụ Israel inyere ya aka. Mmụọ nke Chienke gaabịakwasị ha, ha gaenwe kwa amamihe na nghọta ịlụ otù ọlụ ahụ  Moses naalụ n'ọ̀tụ̀tụ̀. Ndị Ju kwere na nke a bụ mmalite nke Sanahadrin, nke bụ ndị òtù nke ọchịchị ha n'oge nke Kraist.

Mgbe ndịokenye ahụ zukọtara n'Ụlọikwuu nzute ahụ ime uche nke Chineke, Mmụọ nke Chineke dakwasịrị ha, ha wee kwusaa okwu Chineke ma too kwa Onyenweanyị. Lee otú ịchọta amara n'iru Chineke si dị mma karịa ihe niile nye ndị niile náeme ihe naatọ Ya ụtọ karịa ọnụma nke Chineke ịdakwasị ndị náatamù ntamù! Moses etufughị ike ya ọ bụla mgbe enyere ndịokenye ahụ otù mmụọ ahụ nke dị kwa n'arụ ya. Amara Chineke bara ụba nke mere na ọ dịghị onye pụrụ ịnata ntakịrị n'ihi na enyewo ndịọzọ. Kama, mgbe onye ọ bụla naekpe ekpere nime obi ya karịa, otú a kwa ka ọ gaenwe Mmụọ nke Chineke karị, ọ ga kwa náagbasa nye ndịọzọ, nke mere na ha niile ganaetó n'amara.

Mmadụ abụọ nime ndịokenye ahụ nke Moses rọpụtaworo esoghị rigorue Ụlọikwuu nzute ahụ ma Mmụọ nke Chineke bịakwasịrị ha ebe ha nọ n'ọmụma ụlọikwuu, ha wee bue kwa amụma Joshua naatụ egwù na Moses agaghị enwe mmasị na nke a, n'ihi na ọ gaadị ka agaasị na otitemmanụ nke Chineke adịghị kwa okéọnụ ahịa. Ma Moses ekwoghị ekworo. O wee sị na ọ gaadị ya nnọọ mma ma asị na Mmụọ nke Chineke gaabịakwasị ha niile, ha ewee bụrụ ndị kwasịrị ekwesị ijé ozi nye Onyenweanyị. Ndịozi Chineke adịghị ekwo ekworo mgbe Chineke naagọzi ndịọzọ ma atụkwasịrị ha Mmụọ Ya. Agụụ ha bụ ka mmadụ niile were obi ha chụọ̀jà̀ karị ka Chineke wee mee ha niile ezi ndịọlụ n'ubi nke owuwe ihe ubi Ya.

**Ezitere Anụ**

Ka Chineke naenye Moses ndụmọdụ ịrọpụta iri ndị okenye asaa ahụ inyere ya aka, O kwekwara mkwà inye anụ nime ọmụma ụlọikwuu ahụ. Chineke meere Moses ebere n'oké mkpà ya wee zite inye aka; O nyekwara ndị Israel ahụ naatamù ntamù ihe ha chọrọ, ma ụgwọ ọlụ ha bụ ikpé. O kwere nkà izitere ha anụ ka ha rie, nke gaeduru ha otù ọnwa -- ọ gaadị ukwuu nke mere na ọ gaabụ iheotiti nye ha, na ọ gaesi kwa n'imi ha pụta.

Ọ dị ka ihe anaapụghị ime na Moses nwere mgbagwojuanya ebe anụ ra ukwuu otú a gaesi pụta. Ọ bụrụ na Chineke sịrị na Ọ gaezite ya, alụworị ọtụtụ ọlụ ebube na o kwesịrị ịmata na Chineke pụrụ ime ihe niile. Ọbụná ndị dị ike nke okwukwe naenwe obiabụọ ma ọ bụrụ na ha chọrọ ichépụta otú Chineke si eme nrọpụta Ya. N'ebe Chineke nọ apụrụ ime ihe niile ma Ọ chọrọ ka anyị tụkwasị Ya obi ọbụná mgbe ọ naadị ka ọ bụ na ihe niile naesi ike.

N'oge náadịghị anya ifufe wee malite ifè, ma ìgwè nnụnụ (quail) jupụtara gburugburu ọmụma ụlọikwuu ahụ. Ndị ahụ wee chịkọta nnụnụ ndịa ụbọchị abụọ na otù abalị, ha wee gbasaa ya n'ezi ka ọ kpọọ nkụ n'ihi ka ha wee nwee anụ rue ogologo oge. Ma ikpé Chineke dị na nnụnụ ahụ. Ndị Israel ahụ náenweghị afọojuju bú ndị tamukwara ntamù nwụrụ ọnwụ site n'iheotiti nke Chineke tinyere n'etiti ha. N'ebe ahụ ka elikwara ha. Ha ahụkwaghị Ala Mkwà ahụ n'ihi na ha tamurù ntamù megide Chineke.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ụmụ Israel ha anọwo oge ra añaa site na mgbe ha rapụrụ Ijipt?
2. Gịnị mere ọkụ ji bata n'ókèala nke ọmụma ụlọikwuu ahụ?
3. Òlee ndị bụ igwè ndị ahụ gwaraọgwa?
4. Ọ bụ n'ihi gịnị ka ndị Israel ji tamùe ntamù ọzọ?
5. Chineke Ò nyere ha ihe ha chọrọ?
6. Gịnị mere n'ikpéazụ̀?
7. Gịnị ka Akwụkwọnsọ kwuru banyere inwezu ihe niile dị mkpà (maọbụ inwe ojujuafọ)?